# ÓKÉ NGWAKỌTA ASỤSỤ IGBO NA BEKEE: NDỌGHACHI AZỤ NYE NKWALITE ASỤSỤ NA OMENALA IGBO

Nke sitere n'aka
**Ọkammụta Nkechinyere Ohaike.**
Ngalaba Lingwistiks na asụsụ Naịjirịa ndị ọzọ
Aba, Nigeria.
nkechibohaike@gmail.com
+2347034490789

**Ụmị edemede**

*Dị ka mmiri siri bụrụ ndụ azụ ka asụsụ siri bụrụ ndụ obodo. Asụsụ bụ ngwa mmadụ na ibe ya ji emekọrịta n'ogo nziritaozi, mmepe, ngosi agbụrụ dgz. Ọ bụ ezinụlọ, agbụrụ na obodo ka ọ dịịrị ịsụ na ijikwa asụsụ ha nke ọma iji nwee ugwu na nsọpụrụ n'ebe agbụrụ na mba ndị ọzọ nọ ma nwee ike nyefee asụsụ na omenala ha kwụ chịm n'aka ụmụ na ụmụụmụ ha. Tupu ndị mbịrachịwa abata n'ala Igbo na tupu alụọ agha Naịjịrịa na Bịafra, asụsụ Igbo bụ asụsụ ndị Igbo ji aña isi jirikwa ya eme ihe ha niile n'ozuzu oke. Ka ọ dị taa, ọraka ahụ inweta n'ụlọ, ụlọ akwụkwọ, ụlọ ọrụ na ọgbakọ dị iche iche, ebe a ga-asụ Igbo site na mbido ruo na ngwụcha n'agwakọtaghị mn'ebe ọ karịrị akarị Igbo na Bekee (Ingiligbo). O doro anya na onweghi asụsụ ọbụla ya na asụsụ ibe ya na-adịghị adarịta obi mana nke Igbo karịziri akarị. Anyị chịkọtara ọtụtụ nkebiokwu, nkebiahịrị na ahịrịokwu a gwọkatara Igbo na Bekee site n'ụgbọ njem, ahịa, ụlọ akwụkwọ nakwa ụlọ ụka. Atụtụ anyị gbasoro mee nchọcha bụ nke Peter Trudgil. Atụtụ a na-akọwa na asụsụ bụ usoro dị mkpa iji hiwe ma hazie mmekọrịta mmadụ na ibe ya. Edemede a na-akpọ oku ka ọhaneze na-asụ Igbo ma nwee mkpụrụokwu ọbụla ha chọrọ n'ọba mkpuruokwu ha iji were na-ekwu ma na-akọwa ihe ha chọrọ n'asụsụ Igbo. Nke a ga-eme ka anyị hapụ ịbụ agbụrụ dị ndụ asụsụ ha nwụrụ anwụ.*

**Okwu ndị gbara ọkpụrụkpụ:** Ngwakọta, asụsụ, ndọghachiazụ, nkwalite na omenala

## 1.0 Mmalite

Otu ihe mere mmadụ jiri dị iche na anụmanụ ndị ọzọ bụ asụsụ. Essien (2003:27) sị na "asụsụ bụ usoro iwu nke ụda, ọdịdị na mpụtara na-arụkọ arụ maka nzirita ozi". Nwala (2008) kọwara asụsụ dị ka "usoro ndụ ndị nwe ya. Ọ bụ okpo a na-esi amụta ma na-ekesa omenala na usoro obibi ndụ ndị". Ọtụtụ ndị ọkammụta dị icheiche akọwaala ihe asụsụ bụ. Anyị na-achịkọta nkọwa asụsụ dị ka ụzọ a haziri nke ọma nke mmadụ na ibe ya, otu na otu, mba na mba si ezirita ozi maọbụ enwe mmekọrịta. Nke a mere asụsụ jiri nọrọ n'etiti ọdịdị ndụ nke mmadụ. Ọtụtụ ihe ndị ọzọ n'ụwa hiwere isi n'asụsụ n'ihi oke uru na ọrụ ya. E ji asụsụ eche echiche, ezirita ozi, akụzi ihe, enwe mmekọrịta, azụrịta ahịa ma wekwara ya enwe mmepe na ịdị n'ótù n'ogo dị icheiche. Asụsụ bụ ugegbe e ji ahụta omenala. Asụsụ na omenala ndị na-emetụta agwa ha. Nke a pụtara na asụsụ bụ onyinye onye ọbụla na-agaghị anwa anwa were gwurie egwu. Obodo niile mepere emepe n'ụwa dị ka Japan, China dgz. bụ ndị matara ma tinye n'ọrụ uru asụsụ ha bara, nke ha na-eri uru ya tata. Asụsụ Igbo bụ otu n'ime asụsụ gbagotere na Naịjiria. A na asụ ya n'ọdịda anyanwụ Naịjiria. Ọnọdụ ndị Igbo dowere asụsụ ha mere otu mbaụwa dị icheiche ji eti mkpu na ọ bụrụ na Igbo ejisighi ike n'afọ ole na ole na-abịanụ na asụsụ Igbo ga-abụ ihe akụkọ. Nke a mere ọtụtụ ndị Igbo, otu na ọgbakọ dị icheiche jiri na-agba mbọ ka amụma e buru gbasara asụsụ na omenala Igbo hapụ imezu. Ebumnuche nchọcha a bụ ileba anya n'uju n'oke ngwakọta asụsụ Igbo na Bekee na ndọghachi azụ ọ na-ebutere asụsụ Igbo. Usoro nchọcha a bụ nke nsonye na mmekọrịta n'ogo mkparịta ụka. E mere nke a n'ogo

ezinụlọ, ụlọụka, ahịa, ụlọ oriri na nkwari, ụlọakụ, nzụkọ, ọdụ ụgbọala na ụgbọ njem. Ebe ndị a bụ ebe anyị nwetara mkparịtaụka n'ogo nsinachi.

### 1.2 Ngwakọta asụsụ

Ebe mbụ ngwakọta asụsụ pụtara ihe bụ na ntulegharị akwụkwọ Uriel Weinreich nke a kpọrọ 'Languages in Contact' (1953) nke Han Vogts na 1954. Ngwakọta asụsụ anaghị adị ire ma ọ bụrụ na onye ahụ amaghị ka e si asụ asụsụ abụọ. Ogbodo (2011:115) sị na ọ bụ "eziokwu a ma ama na onye ma asụ naanị otu asụsụ - maọbụrụ na onwe onye dị otu ahụ - enweghi ihe jikọrọ ya na asụsụ ọzọ, ebe ọ bụ na mmadụ anaghị enye ihe ọ na-enweghi". Asụsụ abụọ a nwere ike bụrụ asụsụ izugbe (Igbo izugbe) na olundị (Onịcha) maọbụ site n'otu asụsụ (Igbo) gaa n'asụsụ ọzọ (Bekee). Ya bụ mgbe ọbụla anyị na-ekwu gbasara ngwakọta asụsụ, anyị ga-ebu n'obi na ọ bụ asụsụ abụọ (Akwụghị ụgwọ ọnwa ebutele terrible hardship – Akwụghị ụgwọ ọnwa ebutela oke ihe isi ike) maọbụ karịa (Agaghị m aga, please, ma binu – Agaghị m aga, biko, e wela iwe.) ka a na-ekwu maka ya. Ụfọdụ mmadụ nwere ike isi n'otu asụsụ gafee n'asụsụ ọzọ nke na-apụta ihe n'ogo nkebiokwu, nkebiahịrị maọbụ ahịrịokwu. Baker (1988) kọwara nadị na-asụ asụsụ abụọ dị ka ndị nwere ike ịnụ, ịgụ, ịsụ na ide asụsụ abụọ ahụ. Na nke ya, Wei (2000) sị na "ịsụ asụsụ abụọ na-akọwapụta onye ma asụsụ abụọ dị ka asụsụ obodo ha na asụsụ ọzọ gbagotere n'obodo maọbụ n'ụlọakwụkwọ. Ọ gara n'ihu kwuo n'asụsụ bụ ngwogwo ọha ebe mmụta asụsụ abụọ bụ nke otu onye. Kaosiladị, ọ pụtaghị na onye na-asụ asụsụ abụọ ma ha asụ nke ọma kama na ọ matụ asụsụ abụọ ahụ". Numan and Carter (2001:275) sị na ngwakọta asụsụ bụ isi n'otu asụsụ gaa n'asụsụ ọzọ ka a na-akparịta ụka. Kaschula & Anthonissen (1995:73) kwuru na ngwakọta asụsụ gụnyere iji asụsụ abụọ maọbụ karịa kparịtaa ụka n'otu mgbe maọbụ gbasara otu isiokwu. Asụsụ anyị na-ekwu gbasara ya na nchọcha a bụ asụsụ Igbo na Bekee. Ya bụ mgbe nmmadụ sụtụrụ asụsụ Igbo bịa tinye ya mkpụrụkwu, nkebiokwu na nkebiahịrị, onye ahụ agwakọtaala asụsụ Igbo na asụsụ Bekee. Omụmaatụ:

(1) Ọ ka mma Ị kọrọ mmadụ what we experienced today than onye ahụ ime ya experience - Ọ ka mma Ị kọrọ mmadụ ihe anyị gabigara tata karịa onye ahụ ịgabiga ihe ahụ.

(2) A sị na ọbụghị my friend, I would have beaten Ogechi – A sị na ọbụghị enyi m, ákàrà m̀ iti Ogechi ihe.

Otu nsogbu asụsụ Igbo nke barala anyị n'ime ọkpụkpụ bụkwanụ nke anyị na-eleghara anya bụ oke ngwakọta asụsụ Igbo na Bekee. Nke a bụ mmadụ iji mkpụrụokwu bekee na-emeju asụsụ Igbo ọ na-asụ n'agbanyeghi na mkpụrụokwu ndị ahụ dịcha n'asụsụ Igbo. Nke a na-apụtakarị ihe n'ekwurunọnụ maọbụ na mkparịtaụka n'ogo nkebiokwu, nkebiahịrị na ahịrịokwu. Essien (1995:272) kọwara ngwakọta asụsụ dị ka "usoro ngwakọta asụsụ abụọ iji nwee nzirita ozi".

### 2.0 Ọmụmaatụ ngwakọta asụsụ Igbo na Bekee (Ingiligbo).

| | | |
|---|---|---|
| 1. | Ahịa ekweghi tinye aka, ihe niile dịcha expensive. | Ahịa ekweghi tinye aka, ihe niile dịcha ọnụ. |
| 2. | Ọdịda gị is as a result of agụghị akwụkwọ gị. | Ihe butere ọdịda gị bụ agụghị akwụkwọ gị. |
| 3. | E-kidnap-rụ our traditional ruler last week. | A tọọrọ eze anyị izu gara aga. |
| 4. | Ndị police erigbuola onwe ha na bribe. | Ndị uweojii/pọlisi erigbuola onwe ha na ngarị/aka azụ. |
| 5. | Preaching fada taa dị very interesting. | Oziọma fada/ụkọchukwu taa dị ụtọ/dabara adaba. |
| 6. | Ebelivuru m na preaching fada. | Ekwenyere m n'oziọma fada /ụkọchukwu. |

| | | |
|---|---|---|
| 7. | Everybody is in a hurry, ọ bụ ya kacha bụrụ our problem. | Ọ dị onye ọbụla ọsịịsọ, ọ bụ ya bụ nsogbu anyị. |
| 8. | The man agaala measure ihe ndị ahụ. | Nwoke ahụ agaala tụọ ihe ndị ahụ. |
| 9. | I keep telling people, gwa onwe gị eziokwu. | Ana m agwa ndị mmadụ mgbe ọbụla, gwa onwe gị eziokwu. |
| 10. | Enyi gi nwaanyị ahụ na e-mislead gi. | Enyi gị nwaanyị ahụ na-eduhie gị. |
| 11. | Mee ihe ziri ezi and be contented with what you have. | Mee ihe ziri ezi, ka ihe I nwere ju gị afọ. |
| 12. | Ihe gbasara construction work should be done very well. | Ihe gbasara ọrụ aka kwesiri imezi nke ọma. |
| 13. | Ọ kwa ịhụrụ na m ji executive ride bịa buru gị. | Ọ kwa ịhụrụ na m ji oke ụgbọ bịa buru gị. |
| 14. | Sendiara m nọmba your brother, o nwere ihe m chọrọ ka anyị discuss a. | Zitere m akara ekwentị nwanne gị nwoke, o nwere ihe m chọrọ ka anyị kọrịa/kparịa. |
| 15. | Ndịa dị very wicked, I nweta ihe ha na-eme ndị youth. | Obi tara ndịa mmiri, I nweta ihe ha na-eme ndị ntorobịa. |
| 16. | Ịgba oke speed na a cause accident. | Ịgba oke ntụfụrụ na-ebute ihe mberede. |
| 17. | Ọdịkwa very difficult mmadụ ịsụ naanị Igbo. | O siri ezigbo ike mmadụ ịsụ naanị Igbo. |
| 18. | Ọ dị possible mmadụ ịsụ nọọ Igbo from morning till night? | Ọ dị mfe/o kwere omume mmadụ ịsụ naanị Igbo site n'ụtụtụ ruo n'abalị. |
| 19. | E nyere anyị gift na send off anyị. | E nyere anyị onyinye na mmemme gaa nke ọma. |
| 20. | Naa a, ndị bank-ị a ma ka e si e gburu mmadụ time. | Nna a, ndị ọba ego a ma ka e si egburu mmadụ oge. |
| 21. | Ị ga-adịkwa very careful. | Ị ga-ehi aka n'anya. |
| 22. | Mindịkwaa onwe gi. | Kwanyere onwe gị ugwu. |
| 23. | Achọghịkwa m advice iberibe gị ahụ. | Achọghịkwa m ndụmọdụ iberibe gị ahụ. |
| 24. | Eregretịala m otu m si spendịa ego m. | Akwala m mmkwaara otu m si mefuosịa ego m. |
| 25 | Ị na efeeli na I nwere oke sense. | Ọ na-adị gị ka ịma oke ihe. |
| 26. | Ihe niile nwere advantages and disadvantages. | Ihe niile nwere uru na ọghọm. |
| 27. | Nwatakịrị ahụ dị very wide | Azụghị nwatakịrị ahụ azụ. |
| 28. | Gịnị bụ ihe nwere ike ịcause ihe a? | Kedụ he nwere ike ibute /ịkpata ihe a? |
| 29. | Ihe m passịrị through n'ime a dị too much. | Ihe m gabigara n'ime a dị egwu/karịrị akarị. |
| 30. | Ekidnapụrụ bishop anyị last week. | A tọọrọ nnukwu ụkọchukwu/bishọpụ anyị izu gara aga. |
| 31. | Ihe isi ike a mere onye ọbụla affect. | Ihe isi ike a metụtara onye ọbụla. |
| 32. | Eneediri m help bad bad. | Achọsiri m enyemaka ike. |
| 33. | Ndị ọchịchị anyị gbara wicked. | Obi tara ndị ọchị anyị mmiri. |
| 34. | Ada sị na ya nwere pains all over her body | Ada sị na ahụ ya niile na-egbu ya mgbu. |
| 35. | Mgbe ọbụla osetịrị, onye ọbụla ga-agba ọsọ. | Mgbe ọbụla o bidoro, onye ọbụla ga-agba ọsọ. |
| 36. | Nsogbu anyị bụ na onye ọbụla bụ I too know. | Nsogbu anyị bụ na onye ọbụla ma oke/makarịrị ihe. |
| 37. | Nwa ahụ deserverụ scholarship ahụ. | Oruru nwa ahụ inweta oghere agụmakwụkwọ n'efu ahụ. |
| 38. | A directrụ m nwoke ahụ na your house. | A tụziiri nwoke ahụ aka ebe ụzọ ụlọ gị. |

| | | |
|---|---|---|
| 39. | Onye ọbụla ga-enweta share ya, both good. | Onye ọbụla ga-eketa oke ya mana mma mana njọ. |
| 40. | Ikeagwụla m, I can't even read again. | Ike agwụla m, agaghịzikwa m agụli akwụkwọ ọzọ. |
| 41. | Ịma how many years nwoke a nọrọla. | Ị ma afọ ole nwoke a nọrọla na nzụkọ ome iwu nke etiti.s |
| 42. | Efe ndị a ga-anọkwa one week. | Efe ndịa ga-anọkwa otu izu ụka. |
| 43. | Ọkụ niile dịcha on, electric bill dịkwa expensive. | Ọkụ niile na-enwocha enwo, ụgwọ ọkụ dịkwa ọnụ. |
| 44. | Upon heat nọnụ, unu na-ahapụ ọkụ niile on. | N'agbanyeghi okpomọkụ dịnụ, unu na-ahapụcha ọkụ niile ha na-enwo. |
| 45. | Ihe ọbụla e mere na secret ga-apụtarịrị ihe. | Ihe ọbụla e mere n'nzuzo ga-apụtarịrị ihe. |
| 46. | Ka m survaịvrụ last year, onweghi ihe ga-eme m. | Ka m pụtara n'afọ gara aga, onweghi ihe ga-eme m. |
| 47. | (47) That boy dị very intelligent. | Nwata ahụ ma nnukwu akwụkwọ. |
| 48. | Ike agwụla onye ọbụla, let us conclude. | Ike agwụla onye ọbụla, ka anyị mecizienụ. |
| 49. | This man ma ka esi abrag. | Nwoke a ma ka eai etu ọnụ. |
| 50. | Etu e si amaginalise ndị Igbo dị too much. | Etu e si akpapụ ndị Igbo karịrị akarị. |
| 51. | Agaghị m eji anybody compare onwe m. | Agaghị m eji onye ọbụla tụnyere onwe m. |
| 52. | Iche na ị ga-eme m intimidate? | Iche na I gaāmajali m? |
| 53. | I nwere luck. | Inwere ihuọma/afọọma. |
| 54. | Okeke dị very wicked. | Afọ tara Okeke mmiri/Okeke nwere nnukwu obi ọjọọ. |
| 55. | Ọ ga etake gị afọ ole to tidy up? | Ọga ewe gị afọ ole imecha? |
| 56. | Exam anyị dị very tough, expo every where. | Ule anyị siri ike, nrụrụaka ebe niile. |
| 57. | Good morning, kedụ ka unu mere? | Ịbọọlachi/Itetala ụra, Kedu ka unu mere? |
| 58. | Health condition Ugochi dị very bad. | Ọnọdụ ahụike Ugochi dị njọ nke ukwuu. |
| 59. | M kwuo okwu gị mee ya misinterprete, ọ na-ebute misunderstanding. | M kwuo okwu gị tapịa ya ihe ọzọ, ọ na-ebute nghọtahie. |
| 60. | Adị m due for promotion next year. | Etoruru m ibuli n'ọkwa n'afọ ọzọ. |
| 61. | Join a anyị for prayers echi. | Soro anyị n'ekpere echi. |
| 62. | Chineke anyị a dị faithful | Chineke anyị adịghị agharịpụ. |
| 63. | Nye m time ka m consider how to handle it. | Nyetu m ohere ka m tulee kam ga-esi eme ya. |
| 64. | Biko ka anyị chọọnụ solution to the problem | Biko ka anyị chọọ ka anyị ga-esi gboo mkpa ahụ. |
| 65. | Change e agwa gị before you regret it. | Gbanwee agwa gị tupu ị kwaa mmakwaara. |
| 66. | The best thing to do bụ inye onwe gị advice. | Ihe kacha mma ime bụ ịdụ onwe gị ọdụ. |
| 67. | Gịnị ka I meaniri by what you said? | Kedu ihe I kwuru pụtara? |
| 68. | Oge retirement m eruwela. | Oge m ji ala ezumike nka eruwela |
| 69. | Chineke enyela m breakthrough, praise God. | Chineke emeperela m ụzọ, toonu Chineke. |
| 70. | Ihe ahụ I kwuru dị completely out of point. | Ihe ahụ I kwuru adabaghị ma otu. |

**2.1. 1he na-ebute ngwakọrịta asụsụ**

Crystal (1987) sị na ihe na-ebute ngwakọta asụsụ gụnyere:

(a) enweghi ike ịkọwali onwe - mgbe mmadụ na-ekwu okwu n'Igbo kwurue ebe ọgbadoro ya nke na ọ maghịzi aha ihe ọchọrọ ikwu n'Igbo, nke a na-eme ka o were okwu bekee kpọọ ihe ọ chọrọ kọrọkwa ihe ọ na-ekwu gawa dị ka "mgbe anyị gara ịzụta net, ego anyị ezughizi". Aha "net" n"Igbo bụ "ụ̀gbụ́" mana maka na ọ maghị ya n'Igbo, ya kpọọ ya na bekee. Ọzọkwa bụ: Ihe ahụ I kwuru dị completely out of point.

(b) Ike ọgwụgwụ - ọ na-enwe mgbe ike ọgwụgwụ na-eme mmadụ agwakọtaa asụsụ Igbo na Bekee dị ka "nna a a ana m efainti ebe a m nọ biko hurry up". Ike agwụla onye ọbụla, let us conclude.

(ch) ịkpasu iwe - ọtụtụ mgbe, ịkpasu mmadụ iwe na-ebute ịgwakọta asụsụ Igbo na Bekee. Onye ahụ ga-eji iwe ọgaghị ama mgbe ọ ji si n'asụsụ Igbo gaa na Bekee dị ka: Honestly alakịghị m that nonsense, anaghị m alịkị mmadụ ịkpasu m iwe. Ịhe ahụ o kwuru bụ arrant nonsense and ma o withdraw gị ya, m ga-emesi ya ike.

(d) ịmanye mmadụ aka n'ọnụ mgbe ọ na-ekwu okwu - ọtụtụ mgbe mmadụ ga na-ekwu okwu ihe ọzó ị ga-anụ bụ, "excuse me, ka m tinnye godi something n'ihe ahụ ị na-ekwu" nke a bụ ịmanye mmadụ aka n'ọnụ n'agbanyeghị na ọ sị "excuse me".

(e) igosi nkwado nye agbụrụ maọbụ otu ndị ọzọ - ọ na-ara ụfọdụ ndị Igbo ahụ ịsụ asụsụ Igbo n'uju, nke a bụ iji gosi na ha naākwado agbụrụ ndị ọzọ. Ana m a prefer English to Igbo after ll ebee ka e ji Igbo aga.,

(f) ịkpapụ ndị ọzọ ịnụta ihe unu na-ekwu. Mgbe ufọdụ na-achọghị ka ndị ọzọ (ọkacha ndị na-amaghị asụsụ bekee) nụtachaa ihe ha na-ekwu, ha na-agwakọta asụsụ Igbo na Bekee. Health condition Ugochi dị very bad.

(g) Ọtụtụ nne na nna anaghị asụrụ ụmụ ha Igbo nke ha ji ekwe na ndị ọzọ ga-akụziri maọbụ sụọrọ ha Igbo. Ozugbo ha nwere ọbịa ihe ị ga-anụ bụ "Junior say hellow to uncle gị ịnụgo. Ụfọdụ, ọkacha ndị gụbiri akwụkwọ n'ụzọ, na-eji ịgwakọta Igbo na bekee egosi na ha gụrụ akwụkwọ dị ka "o che na-ọ ga-eme m intimidate, the same school ọ gara ka m gakwara".

(gb) ụfọdụ na-eji ya egosi ogo ha ruru n'obodo. I don't just try ịsụrụ ụmụ m Igbo, even in my house anaghị m anwa ya because ọ dị mkpa ha ime interact with others".

(gh) O nwere ndị Igbo na-achọghị ịsụ maọbụ ịmụta asụsụ Igbo na ndị ọ na-eme ihere ịsụ ya bụ asụsụ. Ọtụtụ ụlọ akwụkwọ anaghị ekwe ụmụ akwụkwọ ha sụọ Igbo, ha na-ata ha ahụhụ maọbụ daa ha nhạ.

(gw) Ọtụtụ ndị na-agwọkọta asụsụ Igbo na bekee na-asị na asụsụ Igbo ezughi oke nke na agaghị ejili ya mee nchọcha, ọkacha na sayensi. Echiche maọbụ mkpebi dị otu a bụ okpookpo asị n'ihi na asụsụ ọbụla dabeere n'ibe ya iji zuo oke. Ọ bụrụ na o nwere okwu ndị si mba ọzọ bata n'obodo ndị na enweghi okwu yiri ya nwere ike ịnọchi anya ya, ihe a ga-eme bụ ịsụpe okwu ahụ n'Igbo ma kpọpụta ya n'olu Igbo".

(h) Ihe ndị ọzọ na-ebute ngwakọta asụsụ Igbo na Bekee bụ amaghị uru asụsụ na omenala Igbo bara. Ọtụtụ ndị amaghị uru asụsụ Igbo bara nke mere na ha ejighi ya kpọrọ ihe nke ha ji ekwe ka ụmụ ha sụọ maọbụ mụtas ya. Mgbe ha ga-asụ Igbo ha agwakọtaa ya na Bekee n'ihi aghọtaghị emelaa ha tufuchaa mkpụrụokwu ha ga-eji kọwaa onwe ya ka ndị ọzọ ghọta n'uju ihe ha na-ekwu maka ya n'Igbo.

(i) Oke ngapụ ndị Igbo n'obodo ndị ọzọ na-eme ka ha ọkacha ụmụ ha na-agwakota asụsụ Igbo na Bekee ọkacha oge ọbụla ha nwere ohere lọta ụlọ ka ha na ụmụaka ibe ha na nnenne na nnanna ha nwee ike gwurie egwu ma kparịtaa ụka.

(ị) Ọgụ Naijiria na Bịafra mere ka ngwakọta asụsụ Igbo na Bekee laa elu n'ihi tupu alụọ ọgụ a, asụsụ Igbo bụ ịgba na enweghi ngwakọta ya na asụsụ ọzọ.

**2.2. Ọdachi oke ngwakọta asụsụ na-ebute**

N'uche Odinamadụ, ngwakọta asụsụ Igbo na Bekee nke ọ kpọrọ EnglIgbo bụ **"ọrịa na mmebisi asụsụ Igbo**." (Ogbodu:109). Nke a bụ ajọọ ọrịa bụ na ọ bụrụ na ebidoghi kwụsịwa ya, ọ ga-ebibi ma melaa asụsụ Igbo. Ọ ga-eru ogo ndị Igbo ga-adị mana asụsụ ha anwụọ. Ahụkana n'ikwado Odinammdu kwukwara na "ngwakọta Igbo na Bekee (Engllgbo) nwere ike ibute ọnwụ asụsụ Igbo…" Ngwakọta asụsụ na-ebute ọdachi dị icheiche n'asụsụ Igbo ndị gụnyere:

**Imebi mma asụsụ** - Mgbe ọbụla a na-agwakọta asụsụ Igbo na Bekee ọkacha ebe e nwere okwu bụ ogbo okwu bekee ahụ, a na-eleda asụsụ ịgbo anya ma na-akparịkwa ya n'ihi ọ bụ ihe o nwere ka a na-aga mbibi ya n'obodo ọzọ. Nke a na-emeebi mma asụsụ Igbo ma na-akọkwa ya ọnụ. na eji ya eme akaja. Mmadụ anaghị enye ihe ọ na-enweghi. Ọ bụrụ na ị maghị asụsụ Igbo, I ga na-asụtọ ya asụtọ site na ịgwakọta ya na bekee.

**Ime ka e chefuo mkpụrụokwu ndị dị n'asụsụ Igbo** - mgbe e nwere oke ngwakọta asụsụ Igbo na Bekee, a ga-echefu ọtụtụ mkpụrụokwu Igbo, nke ga-eme ka a sị na asụsụ Igbo ezughi oke meekwa ka anyị hapụ inwe ezi asụsụ anyị ga enyefe ụmụ na ụmụụmụ anyị. Mkpụrụokwu ndị dị ka net, motor, good morning, luck/y bụcha mkpụrụokwu dị n'Igbo mana ị jụọ ọtụtụ mmadụ ọ ga-ewe ha ọtụtụ oge tupu ha echeta aha ha n'Igbo ebe ụfụdụ na agaghị chacha aha ha n'Igbo n'ihi oke ojiji ha na Bekee.

**ileda asụsụ Igbo anya dị ka asụsụ na-ezughi oke**. Igbo sị na izu ka mma na nne ji. Mgbe anyị gwakọtara asụsụ Igbo na Bekee, ọ ga-ara anyị ahụ ịgba izu n'etiti agbụrụ ndị ọzọ ma mee ka ọtụtụ kwenye n'asị a a na-asị na Igbo ezughi oke. Ọ bụrụ na anyị na-asụ asụsụ Igbo anyị n'uju, Igbo ga-eguzoro ma maa aka ebe ọbụla asụsụ mba ụwa ọbụla ọzo nọ.. Onweghi mba ọbụla maọbụ agbụrụ ọbụla ga-anwa anwa leda asụsụ Igbo anya. A ga-ejikwa ya mee nchọcha n'ogo ọbụla.

**iji nwayọọ dulaa asụsụ na omenala anyị mmụọ ma dọghachikwa aka mmepe azụ.** Mba niile a na-anụ aha ha anụ na mba ụwa bụ mba ji asụsụ al aha kpọrọ ihe ma nwere ya na-arụpụta ihe ha na-arụpụta ma wekwara ya akụzi ihe site n'ogo ọtaakara ruo na mahadum. Akpọghị asụsụ Igbo ayịmkpa, oke ngwakọta ya na Bekee na-adọghachi aka mmepe azụ. Asụsụ bụ ụgbọ bu omenala ma bụrụ ugegbe e ji ahụ omenala; ya bụ mgbe ọbụla óké ngwakọta na asụghị asụsụs Igbo dulara Igbo mụọ, ka anyị matakwa na omenala anyị sokwa asụsụ anyị ala mmụọ.

**2.3. Ntụpụta aro**

Chomsky (1972; 1975) kwuru na "mmụta asụsụ na-ebido ka ụbụrụ na-akata ya nakwa ịnọ n'ogbe a na-asụ asụsụ ahụ… Mmụta asụsụ nsinachi na-enyere ndị mmadụ aka na mmụta asụsụ ha ya na ịsụ ya ka omenala ha si dị". Ụfọdụ ihe ndị anyị ga-agboso iji belata oke ngwakọta asụsụ Igbo na bekee bụ:

- Ịkụziri ụmụ anyị asụsụ Igbo site na mgbe e bu ha n'afọ
- Ezinụlọ ọbụla ịhụ na ha na-eji asụsụ Igbo akparịtaụka
- Ndị nne na nna na-ebighi n'ala Igbo ịdị na-akporute ụmụ ha obodo site na mgbe ruo na mgbe
- Iji Igbo ana isi – emeghi ihere n'ịsụ, ide na ịmụ asụsụ Igbo.

- Ime nchọcha n'asụsụ Igbo site n'oge ruo n'oge.
- Idekọ mkpụrụokwu dị icheiche iji mepụtakwuo nkọwaokwu n'ogo dị icheiche dị ka ọtaakara, pramarị, sekọndrị na mahadum.
- Otu dị icheiche ịma iwu ka a na-asụ naanị Igbo n'ọgbakọ ha dị ka Ụwandịigbo mere.
- Ịkwado na itinye n'ọrụ iji naanị asụsụ ala anyị akụzi ihe n'oge ọtaakara na pramarị nta dị ka ọ dị n'akwụkwọ iwu agụmakwụkwọ obodo anyị
- Inye ụmụakwụkwọ mere nke ọma n'Igbo ezi ihe nrite (ego, agụmakwụkwọ n'efu, ihe nrite ndị ọzọ dị icheiche maọbụ ọrụ)
- Inyere ndị na-ede ma na-ebipụta akwụkwọ Igbo aka site n'ego maọbụ ịzụrụ akwụkwọ ha.
- Site n'oge ruo n'oge ịhazi ọgbakọ e dere ma gụpụta ihe niile e dere n'asụsụ Igbo
- Ịchọpụta ma taa ahụhụ ụlọakwụkwọ ndị nkịtị nwe, ndị na-ata ụmụakwụkwọ na-asụ asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ ahụhụ, apịa ha ụtalị ma na-ada ha nha.
- Ndị Igbo ịhapụ inwe ihere maọbụ ileda onwe ha anya n'iji Igbo ekwurita okwu mgbe ha na nnwa nne ha nọ n'agbanyeghi ebe ha nọ
- Ịgwa nne na nna mkpa asụsụ Igbo dị site n'ọgbakọ dị icheiche dị ka nzụkọ Ọgọstụ, ọgbakọ otu ụka ndị nne, nna na ndị ntorobịa
- Ịgba mgbọ n'ibipụta akwụkwọ nta akụkọ n'Igbo, hiwekwa redio na onyonyo tivii ga na-asụ naanị asụsụ Igbo n'ihe niile ha na-eme
- Ịhaziri ụmụakwụkwọ site n'ọtaakara ruo na mahadum asọmpi na ngalaba asụsụ na omenala Igbo dị icheiche
- Gọọmenti na ndị ọnụrụ ube nwanne gbata ihiwe ọba akwụkwọ ga-abụ maọbụ ga-aka bụrụ akwụkwọ Igbo nọ n'ime ya
- Gọọmenti etiti inyeghachi ma hapụrụ Mahadum na-ahụ ihe gbasara asụsụ na omenala ala anyị niile (NINLAN) ikike ịzụpụta ndị mmadụ na ndị nkuzi n'asụsụ na omenala ala anyị.

**3.0 Mmechi**

Asụsụ Igbo erighi mpe ma otu. Ọ bụ ndị Igbo na-eme ka ọ dị ka asụsụ Igbo ezughi oke. Ọ bụ ihe a ma ama na asụsụ onye na-asụ na-ekwu gbasara onye ahụ nke ọma. Njikwa asụsụ na-egosi onyoonyo mmadụ n'ogo niile. Ọhaneze ga-agbalịsi ike na-asụ Igbo e jikwara nke ọma ka ụmụaka nwee ike nomie ma sụọ ezi asụsụ Igbo. O doro anya na onweghi asụsụ ọbụla na-akwụrụ naanị ya. Ihe anyị na-ekwu bụ ebe mkpụrụokwu a ga-eji emebe ahịrịokwu ka asụsụ anyị kwụrụ chịm dị adị, ka anyị gbalịsie ike na-eji ha na-ekwu okwu, na-edekwa ihe karịa ịgwakọta asụsụ bekee na asụsụ Igbo nke na-eme ka ọ dị ka asụsụ Igbo ezughi oke ma napụ anyị ịgba izu. Mgbe oruru na ihe ndị ahụ na-adịghị n'ala anyị, anyị ebiri ha, supee ha n'asụsụ Igbo dị ka asụsụ ndị ọzọ na-eme. Nchọcha a na-akpọ oku ka ndị nne na nna na-asụrụ ụmụ ha Igbo, ka ọhaneze na-agụkwa akwụkwọ Igbo ma na-elekwa onyoonyo ọkacha ndị a na-eme n'asụsụ Igbo dị ka akụkọ ụwa, ejije dgz., ka anyị were asụsụ anyị na-ekpe ụka, eme ọgbakọ ma selata aka n'oke ngwakọrịta Igbo na Bekee, ka anyị hapụ ịbụ agbụrụ dị ndụ asụsụ ha nwụrụ anwụ. Ihe onye kpọrọ nkịta ya ka ọ na-aza. Onye kpọ nkata ya nkịrịka, agbataobi ewere ya kpoo ahịhịa. Asụsụ Igbo bụ ḿmá anyị, onye tufuo ihe o ji ama mma, mma ya arụọ.

**Edensibịa**

Carol Myers-Scolton. *Multiple Voices: An Introduction to Bilingualism*. Researchgate.net. Retrieved on the 21st of October, 2020.

Chomsky, N. (1979). *Language and Responsibility*. New York: Pantheon.

Crystal, D. (1987). *The Cambridge Encyclopedia of Language*. Cambridge: University Press.

Gal, S. (1979). *Language Shift: Social Determinants of Linguistic in Bilingual* Austria: New York Press.

Nwala, M.A. (2008). *Introduction to Linguistics. A first course*. Abakiliki: Osi Alozie

Ogbodo, J.C. (2011). Igbo-English code switching or Engligbo: A positive Perspective In Journal of Nigerian Languages and Culture. Vol. 13. No. 1. APNILAC.

The Strengths and weaknesses of code switching and bilingualism in the language classroom. www.researchgate.net>publication.